### Ihu akwụkwọ 2

**Gịnị bụ ọrịa nsi ebu (Mycotoxins)?**

Ọrịa nsi ebu (mycotoxins) bụ ajọ ụmị (nsi) nke dị egwu nke ụfọdụ nje na-emepụta. Mmerụ/ofufe ọrịa nsi ebu na ọtụtụ nri a na-eri na-eme ka etinye uche n'ọnọdụ ahụike ebe ọka bụ otu nke mmerụ/ofufe ọrịa nsi ebu kacha emetụta na Naịjirịa.




Nsinweta: Ndị *Odee* Nsinweta: Ndị *Odee*

E nwere ọtụtụ ụdịrị ọrịa nsi ebu mana abụọ kachasị wee pụta ihe bụ ebu *aflatoxins* na ebu *fumonisins*. Nje otu a meputara bụ nje ***Aspergillus*** na nje ***Fusarium*** n'otu n'otu..

**Gịnị kpatara ọrịa nsi ebu jiri jọọ njọ?**

Ọrịa nsi ebu jọrọ njọ n'ihi na ụfọdụ n'ime ha nwere nsi na nje izi nke na-emetụta mmadụ na anụmanụ riri ya. Nke a pụtara na o nwere ike ime ka ị rịa nnukwu ọrịa nke nwekwara ike ịkpata izi imeju. O nwekwaziri ike imekwa ka ụmụaka ghara ito eto otu o kwesiri tinyere na ihe na-alụso ọrịa ọgụ n'ime ahụ adịghịzi ike. Mpụtara ọrịa nsi ebu n'ahụike mmadụ abụghị ihe n'amalite ozugbo ozugbo. Ka o sila dị, ịdị na-eri nsi a obere obere na nri ọtụtụ oge ga-eme ka ọ gbakọta ọnụ butere onye na-eri ya ọrịa.

### Ihu akwụkwọ 3

Imirikiti ndị Naịjirịa amaghị maka ajọ nje ndị a dị na nri. Ndị mmadụ na-eri nri ma ọ bụrụ na ọ dị mma n'anya ma dịkwa ọcha. Mana ọ bụghị nri ndị a niile dị mma n'ahụ. Ọ bụghị ọka niile bu ọrịa na-ama ebu maọbụ mebie emebi.

**Kedụ ka a ga-esi belata ọrịa nsi ebu na nri?**

Otu usoro a ga-esi belata ọrịa nsi ebu na nri bụ site n'ụzọ mmepụta nri ụfọdụ dị ka e si eme akamụ. Akamụ bụ nri dị ọnụala a na-erikarị na Naịjirịa ka nri ụtụtụ. Ọ bụ nri a na-enye ụmụaka mgbe a na-akwụsị ha ịñụ ara, na-adị ụmụaka na-etolite etolite mma n'ahụ, ma ndị ọrịa ma ndị agadị. Ime akamụ na-abụkarị maka ire ya ere n'ahịa maọbụ iri ya n'ụlọ.



Nsinweta: allnigerianrecipes.com

Mgbe e mere nke a ọfụma, usoro mmepụta ga-eweta mbelata pụtara ihe na nje ndị a. Ma otu ọ dị, ndị mmepụta anaghị agbaso ezi usoro kwesiri ekwesi mgbe niile.

### Ihu akwụkwọ 4

Ọtụtụ ụzọ dị mkpa bụ nke a na-eleli anya maọbụ ọ naghị ezucha oke. N'ihi nke a, obere akwụkwọ a na-enye ezi ntọala banyere usoro dị mma ga-eme ka ezinaụlọ gị na-eri nri dị mma ma na-enye ahụ ike.

**Ide ede** bụ otu usoro di nnukwu mkpa na mmepụta akamụ. A na-emekarị nke a n'agba abụọ. Agba nke mbụ bụ ịbanye mkpụrụ ọka n'ime mmiri abalị abụọ tupu akwọ ya mmiri mmiri ebe agba nke abụọ bụ ịgba ụka. Ịgba ụka pụtara iwunye mmiri dị ọcha n'ọka akwọrịrị mmiri mmiri ka ayọchara ya iji mee ka akamụ nwee ụtọ na isi gbakara agbaka ka oroma nkirisi. Ịgba ụka na-ewe abalị abụọ. Ka o sila dị, ndị mmepụta akamụ na-elelikarị agba nke abụọ a anya ebe idenye na mmiri anaghị ezucha oke n'agba nke mbụ.



Nsinweta:allnigerianrecipes.co
m

Agba ide ọka ede na-ebelata ọrịa nsi ebu ma etosiri ka eme ya nke ọma n'agba abụọ ndị a iji nweta mpụtara.

**Ihu akwụkwọ 5**

Ndị mmepụta na ndị oriri tosiri ịma n'agbanyeghị n'ọrịa nsi ebu na-ebelata site n'idenye ọka na mmiri, mana ka ọrịa nsi ebu si hadebe n'akamụ n'ikpeazụ sitere n'ogo ọrịa nsi ebu dị n'ime ọka n'izizi na ka e si gbaso ezi usoro dị mma wee mepụta ya. **Ya bụ, ọ dị mkpa ịzụta ezigbo ọka, cheekwa ya ọfụma ma mepụta ya n'ezi usoro bụrụkwa n'uche inweta nri mara mma n'ikpeazụ.**


Etu a ka a ga-agbaso wee mepụta nri dị mma:

1. Gbaara ịzụ mkpụrụ ọka mara ebu, gbawara agbawa ma mebie emebi ọsọ - Ndị a na-aka enwe nnukwu ogo ọrịa nsi ebu n'ime ha.
2. Edebela mkpụrụ ọka n'ebe juru oyi ma ọ bụrụ na agaghị eme ya ọsịịsọ. Gbaa mbọ hụ na i dobere ọka n'ebe dị kọrọkọrọ.
3. Họchaa mkpụrụ ọka nke ọma iji wepụ unyi abụla unyi.
4. Banye mkpụrụ ọka na mmiri abalị ole o kwesiri. Nke a na-abụkarị abalị abụọ.
5. Ọka ịgba ụka kwesiri ị nọ opekata mpe abalị abụọ tupu ere ya n'ahịa maọbụ erie ya eri.
6. Nke a na-eri n'ụlọ tosiri ka a na-agbapụ mmiri dị n'elu akamụ gbara ụka abalị abụọ ọbụla ma gbanye ya mmiri ọzọ dị ọcha.

**Translated by Dr Chinenye A. Ezema**
**Igbo Language Unit, Arts Education dept.**
**UNN**

**Ihu akwụkwọ 6**

Eserese dị n'okpuru na-egosi agba dị iche iche na mmepụta akamụ;





# Feed the Future Innovation Lab for Food Security Policy

## Nigeria Agricultural Policy Project

September 2018


## Denye ma mepụta akamụ gị n'ụzọ kwesiri ekwesi!

## O nwere ike ịzọpụta ndụ gị!




**Oluwatoyin Ademola**

**Saweda Onipede Liverpool-Tasie**

**Adewale Obadina**

**Felicia Wu& Nikita SahaTurna**


)